Ọkwà nke Usoro Nchekwa Nzuzo DSHS maka Ozi Ọgwụgwọ Ahuike Onyeahịa

DSHS Notice of Privacy Practices for Client Medical Information

Na-amalite N'ọnwa Nọvemba 1, 2025

DSHS ga-agwariri gị gbasara ikikere nchekwa nzuzo gị dị n'okpuru Iwu Nnyefe Mkpuchi Ahụike na Ime Ihe N'usoro Kwụ Ọtọ (HIPAA). (45 CFR §164.520). DSHS bụ "òtù jikọrọ ọrụ ahụike na ọrụ ndị ọzọ." Ọ bụghị ngalaba niile nke DSHS ka Iwu HIPAA na-ekpuchi, naanị mmemme ndị edepụtara dịka Ngalaba Nlekota Ahuike na webusaiti DSHS ka HIPAA na-ekpuchi. Ọkwà a metutara naanị ndị ahịa ndị mmemme e kpuchiri na HIPAA na-ejere ozi. Ọkwà a emetutaghi ikikere gị inweta enyemọrụ DSHS.

Ọkwà a na-akọwa etu e nwere ike iji ma kpughee ozi ahụike gbasara gị na etu i nwere ike isi wee nweta ozi a. Biko nyochaa ya nke ọma.

Gịnị bụ ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI)?

Ozi Ahụike Echebere nke Ọma (PHI) bụ ozi ahụike ndị ahịa nke ụfọdụ ngalaba DSHS ji nke HIPAA na-ekpuchi PHI bụ ozi ahụike e jikọrọ na gị gbasara ọkwá na ọnọdụ ahụike gị, nlekọta ahụike ị na-enweta, maọbụ akwụmụgwọ maka nlekọta ahụike gị. DSHS ga-echeberiri PHI gị site n'iwu.

Kedu PHI nke DSHS nwere gbasara m?

Iji nyere anyị aka rụọrọ gị ọrụ, i nwere ike kwesie inye anyị ozi ọgwụgwọ maọbụ ahụike tinyekwara ebe ị nọ, ozi gbasara ego maọbụ ndekọgasị ọgwụgwọ ahụike. Anyị nwere ike inweta ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) gbasara gị site na nsitere ndị ọzọ a chọrọ iji rụọrọ gị ọrụ maọbụ kwụọ ụgwọ nlekọta gị.

Onye na-ahụ ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI)?

Anyị na-eji naanị obere ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) kacha ntà anyị chọrọ iji rụọ ọrụ anyị. Anyị nwere ike ikekọrịta ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) anyị na mmemme ndị ọzọ maọbụ ndị mmadụ ma ọ bụrụ na iwu kwadoro ya maọbụ ma ọ bụrụ na i kwere ya. Iji maa atụ, a pụrụ inye maọbụ jiri ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) n'aka Ọchịchị Ahụike na ndị na-enye ọrụ ahụike ndị ọzọ iji hazie ma kwụọ ụgwọ maka nlekọta ahụike gị. Anyị nwere ike ikekọrịta ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) gara aga, nke ugbua, maọbụ nke ndịnihu.

Kedu ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) nke DSHS na-ekekọrịta?

Anyị na-ekekọrịta naanị ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) nke ndị ọzọ chọrọ iji rụọ ọrụ ha, ma dịka iwu si wee kwado. I nwere ike ịjụ maka ndị DSHS kekọrịtagoro ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) wee nye maka ụfọdụ ebumnuche n'ime afọ isii gara aga.

Kedu mgbe DSHS na-ekekọrịta ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI)?

Anyị na-ekekọrịta ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) "dabee na mkpà ịmara" iji lekọta enyemọrụ na maka ọgwụgwọ, akwụmụgwọ, na arụmọrụ nlekọtagasị ahụike. Iji maa atụ, anyị nwere ike ikekọrịta ozi:

- Anyị na ndị na-enye ọrụ nlekọta ahụike iji nye ọgwụgwọ ahụike na njikwa ikpe.
- Anyị na òtù na-ahụ maka ịkwụ ụgwọ enyemọrụ nlekọta ahụike gasị iji wee hazie maka ịkwụ ụgwọ.
- Iji wee kpebie ma i tozuru maka mmemme DSHS gasị.
- Iji kwado arụmọrụ azụmaahịa anyị, dịka ikpebi ma nlekọta ị na-enweta n'aka ndị na-enye ya o ruru ogo iwu chọgasịrị. Ihe omume ndị a nwere ike ịgụnye ngakọta data ọnụ, ihe omume ijikwagasị ọghọm, na nnyocha ego.

Olee mgbe DSHS nwere ike ikekọrịta ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI) n'enweghi ikikere m?

N'ịgbakwunyere mkpughe maka ọgwụgwọ gasị, akwụmụgwọ, na arụmọrụ nlekọta ahụike gasị, DSHS nwere ike ikekọrịta ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) n'enweghi ikikere gị maka ụfọdụ mkpatara ndị ọzọ. Site n'iwu, a pụrụ ịchọ ka anyị maọbụ kwere ka anyị kekọrịta ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI). Ụfọdụ ọmụmaatụ gụnyere mkpa iji:

- Kekọrịta ozi ahụike gbasara gị nye enyi maọbụ onye ezinaụlọ gị so na ndị na-elekọta gị. I nwere ikikere ijụ nkekọrịta a. Ọ bụrụ na ị jụ, anyị agaghị ekpughere ya onye ezinaụlọ ahụ maọbụ enyi.
- Kekọrịta nye ndị nchịkwa ahụike ọha makai ihe omume ahụike ọha ndị dị ka igbochi maọbụ ịchịkwa ọrịa maọbụ mmeruahụ maọbụ ikpesagasị maka ọmụmụ na ọnwụ.
- Kpesaa ihe mmegbu nwata maọbụ okenye maọbụ nleghara anya maọbụ ọgụ imeụlọ nye Ndị Arụmọrụ Nchebe Ụmụaka, Ndị Arụmọrụ Nchebe Okenye, ndị uweojii, maọbụ ụlọọrụ ndị ọzọ.
- Nye ndekọgasị mgbe e nyere iwu ụlọikpe, akwụkwọ iwu kpọpụtara ya ụlọikpe, arịrịọ nchọpta, maọbụ usoro iwu ndị ọzọ, maọbụ maka usoro ikpe iwu na omume nchịkwa.
- Kekọrịta ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) nye ndị ọrụ nlekọta pụrụ iche ndị na-enye ndị ọkachamara ọrụ ahụike akwụkwọ ikike na akwụkwọ ikike ma na-enyocha ụlọ ọrụ ahụike, dị ka ụlọ ndị nọọsụ na ụlọọgwụ.
- Kekọrita ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) nye ndị ọrụ ọchịchị etiti na steeti iji lekọta gị, ma ọ bụrụ na a chọọ ya iji kpebie ma I tozuru òkè maka enyemọrụ maọbụ inyegasị urù, maọbụ dịka iwu si wee kwado.
- Nye ndị nne na nna maọbụ ndị nlekọta ụmụaka ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI).
- Kekọrịta ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) iji gbochie maọbụ belata nnukwu ihe icheakamgba mberede nye ahụike maọbụ ezi nchekwa nke mmadụ maọbụ ọha.
- Kekọrịta ụfọdụ ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) nye ndị ọrụ nchekwa iwu.
- Kekọrịta PHI maka nchọcha, maka ọrụ nchọcha a nabatagoro, mgbe e chebere nzuzo gị nke ọma.
- Kekọrịta nye ndị isi agha, n'ụfọdụ ọnụdụ, ma ọ bụrụ na I so na ndị agha maọbụ bụrụ onye agha lara ezumike nka.
- Nye ndị ụlọọrụ Nkwụghachi Ụgwọ Ọrụ Ndị Ọrụ PHI.
- Jiri maọbụ kpughee PHI n'ọnọdụ mberede maọbụ maka ebumnuche enyemaka ọdachi.
- Mgbe ị nwụchara, kekọrịta PHI gị nye onye nnọchianya nke ebeobibi gị, onye na-enyocha ozu, onye na-ahazi olili ozu, maọbụ òtù ntinye akụkụ ahụ mmadụ.
- Mgbe iwu kwere maọbụ chọrọ ya

Ọkwà DSHS Banyere Ihe Omume Nzuzo maka Ozi Ahụike nke Onye Ahịa
Na-amalite N'ọnwa Nọvemba 1, 2025
Ibe 3

Ndekọgasị Ọgwụgwọ Ọrịa Ịṅụ Ọgwụ Ọjọọ

Anyị agaghị ekekọrịta ndekọ ọgwụgwọ ọrịa ịṅụ ọgwụ ọjọọ (SUD) ma ọ bụghị ma anyị nwere nkwenye gị, maọbụ na iwu 42 C.F.R. Akụkụ nke 2 (Akụkụ nke 2) kwere ya. Ọ bụrụ na anyị nweta ndekọgasị akụkụ nke 2 site n'aka onye ọzọ, dịka onye na-enye gị ọgwụgwọ ịṅụ ọgwụ ọjọọ (SUD), anyị nwere ike ikpughe ndeọgasị ahụ ma ọ bụrụ na ekwe anyị n'okpuru HIPAA. N'agbanyeghi, anyị agaghị ekpughe ndekọgasị ọrịa ịṅụ ọgwụ ọjọọ (SUD) gị maka emume obodo, mpụ, nchịkwa, na iwu megide gị, ma ọ bụghị na i nyere nkwenye gị n'usoro edide, maọbụ na nzaghachi iwu ụlọikpe.

Kedu maka ma m chọọ ka onye ọzọ nwee ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI)?

Ụfọdụ nkekọrịta nke a na-edepụtaghi n'ọkwà a chọrọ ikikere gị. Anyị agaghị eji ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) maka ire ahịa maọbụ ire ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) n'enweghi ikikere gị e dere ede. A ga-agwa gị ka ibinye aka n'akwụkwọ ikike iji nye anyị ikikere ikekọrịta ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) ma ọbụrụ:

- Anyị chọrọ ikikere gị iji nye ọrụ maọbụ nlekọta;
- Anyị chọrọ ikikere gị iji kekọrịta ndetugasị ọgwụgwọ uche;
- Ị chọrọ ka anyị ziga ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) nye ụlọọrụ ọzọ maọbụ onye na-enye ọrụ maka ụfọdụ mkpatara iwu na-akwadoghi n'enweghi ikikere gị; maọbụ
- Ị chọrọ ka ezigara onye ọzọ ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI), dị ka onye ọkaiwu gị, onye ezinaụlọ gị, maọbụ onye nnọchianya ọzọ.

Ikikere gị ikekọrịta ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) dị mma ruo ụbọchị ngwụcha i tinyere n'akwụkwọ ahụ. Anyị nwere ike ikekọrịta naanị ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) i depụtara. I nwere ike ịkagbu maọbụ gbanwee ikikere a site n'idegara DSHS akwụkwọ.

Enwere m ike ịhụ ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI)?

I nwere ike ịhụ ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI), n'akwụkwọ maọbụ akwụkwọ elektronik. Ọ bụrụ na ị jụọ, ị ga-enweta ótù akwụkwọ ndepụta nke ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI). DSHS nwere ike ịnata gị ego doro anya maka akwụkwọ ndepụtagasị.

Enwere m ike inwe ndepụta nke nkwupụtagasị dị n'ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI)?

I nwere ikike ịmata ndekọ nke nkwupụta, nke bụ ndepụta nke nkwupụta ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) e mere n'ime afọ isii gara aga, ma e wezuga nkwupụta e mere maka ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ, arụmọrụ, maọbụ nke ị kwadoro. Ọ bụrụ na ị rịọ maka ndekọ nkwupụta karịa ótù ugboro n'ime ọnwa 12 ọbụla, DSHS nwere ike ịgbata gị ụgwọ doro anya.

Enwere m ike ịgbanwe ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI)?

Ọ bụrụ na i chere na ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) ezighi ezi, i nwere ike ịgwa anyị n'ederede ka anyị gbanwee maọbụ tinye ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI) ọhụrụ.

Anyị ga-atụle arịrịọ ahụ mana anyị enweghi ọrụ ịnakwere ya. I nwere ike ịgwakwa anyị ka anyị zigara ndị ọzọ nwere akwụkwọ ndepụtagasị nke ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) mgbanwe ọbụla.

Enwere m ike ịtọ ókè na nkesa ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI) na etu m si enweta ya?

I nwere ike ịgwa anyị n'ederede ka anyị wetuo ojiji na nkesa nke ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI), mana anyị agaghị ekweriri ya. I mwekwara ike ịrịọ ka anyị zitere gị ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) n'ọdịdị dị iche maọbụ n'ebe ọzọ.

Ọkwà DSHS Banyere Ihe Omume Nzuzo maka Ozi Ahụike nke Onye Ahịa
Na-amalite N'ọnwa Nọvemba 1, 2025

Ibe 4

Gịnị bụ mkpughe ozi ahụike mmadụ e chebere nke ọma?

Mkpughe ozi ahụike mmadụ e chebere nke ọma bụ ojiji maọbụ mkpughe ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) nke a na-akwadoghi n'okpuru HIPAA, gụnyere mfu site n'izu ohi, amaghị ama maọbụ ịwakpo sistemụ. Anyị agaghị agwa gị site na imeelu ma ọ bụrụ na e nwere mkpughe ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) n'okpuru HIPAA.

Enwere m ike inweta ótù ndepụta nke ọkwà nzuzo a?

Ee. Ọkwà nzuzo a bụ nke gị idobe. Ọ bụrụ na inweta ọkwà a n'ụzọ elektronik, i nwere ike ijụ maka ndepụta nke akwụkwọ, ma anyị ga-enye gị ótù.

Kedu maka ma ọ bụrụ na a gbanwee omume nzuzo ozi ahụike e chebere nke ọma (PHI)?

A chọrọ ka anyị sonyere ọkwà a. Anyị nwere ikike ịgbanwe ọkwà a. Ọ bụrụ na iwu maọbụ omume nzuzo anyị gbanwee, anyị ga-emelite ọkwà a ma zigara gị ótù ndepụta ya maọbụ zigara gị ozi gbasara ọkwà ọhụrụ ahụ nae be a ga-enweta ya.

Onye ka m ga-akpọtụrụ ma m nwee ajụjụ gbasara ọkwà a maọbụ ikike ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI)?

Ọ bụrụ na i nwee ajụjụ ọbụla gbasara ọkwà a, i nwere ike ịkpọtụrụ Onye Nlekọta Nzuzo nke DSHS na DSHSPrivacyOfficer@dshs.wa.gov maọbụ (360) 902-8278.

Kedu etu m ga-esi kpesa mgbagha ikike nzuzo nke ozi ahụike m e chebere nke ọma (PHI)?

Ọ bụrụ na i kwenyere na a gbaghaala ikike nzuzo ozi ahụike gị e chebere nke ọma (PHI) in were ike itinye mkpesa site na:

DSHS Privacy Officer, Department of Social and Health Services, PO Box 45135, Olympia WA 98504-5135 maọbụ site n'imeelu nye DSHSPrivacyOfficer@dshs.wa.gov. Ọ bụrụ na itinye akwụkwọ mkpesa, DSHS agaghị anata ụgwọ maọbụ kwụsị enyemọrụ gị ma agaghị emegide gị n'ụzọ ịgbata ụgwọ.

Maọbụ

Nyefee mkpesa gị n'ịntaneetị na: https://ocrportal.hhs.gov/ocr/cp/complaint_frontpage.jsf maọbụ site n'idegara: Office for Civil Rights, US Department of Health and Human Services, 200 Independence Avenue, S.W., Room 509F HHH Bldg., Washington, D.C. 20201, ekwentị (800) 368-1019. Mkpesa ọbụla i degara DSHS ka a ga-emeriri n'ime ụbọchị 180 nke mgbagha nzuzo a na-ekwu maka ya.